# AMAGHỊ NTỤGHARỊ: AKAMGBA NYERE MGBASAOZI N'ASỤSỤ IGBO N'ỤWA ỌHỤRỤ

Ifunanya Nzubechukwu Dimebo
Department of Linguistics and Nigerian Languages
Alex-Ekwueme Federal University, Ndufu-Alike Ikwo
ifuuchigoo93@gmail.com
08137584366

**Ụmịedemede**

Isiokwu nchọcha a bụ "Amaghị Ntụgharị: Akamgba nyere Mgbasaozi n'Asụsụ Igbo n'Ụwa Ọhụrụ" lebara anya n'otu n'ime ihe ndị na-ama mgbasaozi n'asụsụ Igbo aka n'ihu n'ụwa ọhụrụ. Ọ bụ nghọtahie ndị na-ege ntị na-enwe oge ọ bụla a na-agbasaozi n'asụsụ Igbo tụmadụ mgbe ha gechara nke Bekee kpaliri mmụọ ọchọcha ide edemede a. Ebumnobi edemede a bụ ịgba n'anwụ ka amaghị ntụgharị si eme ka akụkọ ụwa n'asụsụ Igbo na-ada aja aja nyeere ndị na-ege ntị ma kọwapụta ụzọ isi gbochie ma ọ bụ belata ọnọdụ dị otu a. Iji nweta ngwa e ji dee edemede a, ọchọcha gbara mmadụ iri atọ ajụjụ ọnụ nke gụnyere mmadụ iri na-arụ ọrụ n'ụlọ mgbasaozi na mmadụ iri abụọ ndị na-ege ntị na-esonye n'ihe mmemme a na-eme n'ụlọ mgbasaozi. A gbasoro usoro sọvee wee nwetakwa ihe ndị ọzọ nyere aka maka edemede a ma gbasoo usoro nkọwa were zipụta ha. A chọpụtara na ọtụtụ ndị na-agbasa ozi n'asụsụ Igbo bụ ndị amaghị asụsụ Igbo nke ọma ma ya fọdụzịa ịgụ ya dị ka e si agụ asụsụ ndị ọzọ na mahadum maka mgbasaozi. Edemede a ga-eme ka a ghọta ọnọdụ asụsụ Igbo na mgbasaozi ma were ya kpọrọ ihe. Ọ ga-abara Igbo niile uru ma mee ka ọnọdụ asụsụ Igbo gbagote tụmadụ na mgbasaozi.

**Ọkpụrụkpụ okwu: Asụsụ, Ntụgharị, Mgbasaozi,Akamgba, na Ụwa ọhụrụ.**

**Nkọwa Ụfọdụ Mkpụrụokwu**

| | |
|---|---|
| Radio | igbe ekwurekwu |
| Television | igwe onyoonyoo |
| Website | Ọwa ozi |

**Ndubanye**

Asụsụ bụ otu ihe kacha pụta ihe na ndụ mmadụ. Ịkwalite asụsụ dị ka igwe e ji ebugharị nzimozi n'ogogo dị iche iche bụ ihe mmadụ chọpụtara nke bakwaara ya ezigbo uru. Asụsụ bụ otu ihe e ji mara otu ndị. Naanị mmadụ na-asụ asụsụ ebe ụmụ anụmanụ ndị ọzọ na-eme ụñara n'ụdị dị iche iche. Ya mere, asụsụ bụ ndụ mba. Asụsụ malitere oge mmadụ malitere ndụ ya na ịkparịta ụka.[41] Anagbogu, Mbah na Eme (2010:3) kwuru na site na mmalite mmadụ ka asụsụ dị. Mmadụ ji asụsụ akparịta ụka ma na-ekwupụta obi ya, ezi ozi, akọ akụkọ, akọwa ihe mere n'oge gara aga, nke na-eme ugbu a na nke ga-eme n'ọdịnihu wdg. O nweghị [42]obodo mmadụ bi na ya na-enweghị asụsụ n'agbanyeghị etu mmepe dịtabere n'obodo ahụ.

---

[41]Anagbogu, Mbah na Eme (2010:3)kwuru na site na mmalite mmadụ ka asụsụ dị.

[42]Nkọwa Ụfọdụ Mkpụrụokwu: Nke a dị mkpa iji ghọta edemede a. a kpọrọụfọdụ mkpụrụokwu aha iji tinye isiokwu edemede n'ọru.Ụwa ọhụrụ n'edemede a, ihe a na-arụgara aka bụ oge ugbu a.

Isiokwu nchọcha a nke bụ "Amaghị Ntụgharị: Akamgba Nyeere Mgbasaozi n'Asụsụ Igbo n'ụwa Ọhụrụ'bụ ijigbaa n'anwụ otu ihe ịma aka n'ihu na-echere mgbasaozi n'asụsụ Igbo. Akamgba a bụ amaghị ntụgharị na-emetụta mgbasaozi n'asụsụ Igbo n'ụwa ọhụrụ. Ime ka ozi e zipụrụ n'ikuku rute ndị a tụrụ anya na ime ka ha ghọta ozi ahụ nke ọma ma kpaa agwa a tụrụ anya n'aka ha, ime ntụgharị n'ụzọ dabara adaba dị nnukwu mkpa. Ezigbo ntụgharị bụ otu ihe dị mkpa na-eme ka Ọnụụ ghọta ihe Okwuu chọrọ ka ọ ghọta. Nke a gosiri na ọ bụrụ na e meghị ntụgharị n'ụzọ dabara adaba dịka nghọta ozi ahụ si dị, ọ ga-enye nnukwu nsogbu tụmadụ isite n'asụsụ Bekee tụgharịnye mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo maka mgbasaozi.

Mgbe a na-ekwu maka ụwa ọhụrụ n'edemede a, ihe a na-arụgara aka bụ oge ugbu a. Oge anyị nọ n'ime ya bụ senchuri iri abụọ na otu.Oge mmepe nọ n'ogogo dị elu. Oge izipụ ozi nwere ọnọdụ pụrụ iche tụmadụ ka o si metụta igweokwu igbeekwurekwu, onyoonyoo, igwe [43]kọmputa na ọwa ozi dị iche iche. Ọnọdụ mgbanwe dị ugbu a nyere nnukwu ohere ime ka ndị mba ọzọ dị iche iche mata ka e si eme ihe n'obodo ọzọ ha amabughị maka ya. Ọ bụ ihe ndị a mere ọnọdụ mgbasaozi ji kwesi ka ọ gbagote tụmadụ n'asụsụ olu nne anyị dị iche iche nke asụsụ Igbo bụ otu n'ime ha.

Ntụgharị site n'asụsụ Bekee fee asụsụ Igbo bụ otu akamgba dịịrị asusu Igbo na ngalaba mgbasa ozi, o kwesịrị ka e lebaa ya anya nke ọma makana mgbasa ozi so n'otu ide na-ekwuru mba ọnụ ha na mba ozo. Ya mere, ịmata oge a nọ n'ime ya ga-enye aka ịghọta mkpa ọ dị na e mere ntụgharịnye n'asụsụ Igbo ma mee ya nke ọma.

E leba anya na mgbasaozi n'ụwa ọhụrụ n'asụsụ Igbo, a ga-achọpụta na amaghị ntụgharị nke ndị na-agbasa ozi bụ otu ihe ịma aka n'ihu nyere nghọta ozi a gbasara n'asụsụ Igbo.Ọchọcha lebara anya n'amaghị ntụgharị tụmadụ ka o si metụta ngụpụta akụkọ ụwa n'asụsụ Igbo n'ụwa ọhụrụ.N'ụwa ọhụrụ, n'agbanyeghị na e nwere ọtụtụ ndị gụrụ akwụkwọ, ndị agụghị akwụkwọ dịkwa ọtụtụ.Ọchọcha nwere mkpali ide edemede a maka nghọtahie ọ chọpụtara ndị na-ege ntị na-enwe oge ọ bụla a na-agbasa ozi n'asụsụ Igbo tụmadụ mgbe ha gechara nke Bekee.
Ntụgharị bụ isite n'otu asụsụ tinye asụrụ asụ ma ọ bụ edere ede n'asụsụ ọzọ. Ọ pụtakwara idochi ma ọ bụ ịgbanweghari ihe e dere ede ma ọ bụ e kwuru ekwu site n'otu asụsụ gaa n'asụsụ ọzọ ka nghọta ma ọ bụ mpụtara ya dabaa ka o si kwesi. Nke a gosiri na e nwere asụsụ abụọ pụtara ihe ebe a. Mbụ bụ asụsụ e ji dee ihe ma ọ bụ kwuo okwu na asụsụ a chọrọ itụgharịnye ihe na ya. Ome ntụgharị ịmata nke ọma ihe gbasara asụsụ abụọ ndị a ga-eme ya ọka na ntụgharị ya makana ọ ga-etinye anya ma na nghọta ma na nka iji mee ka e nweta ihe a tụrụ anya.

Ebumnobi edemede a bụ ịgba n'anwụ ka amaghị ntụgharị si eme ka akụkọ ụwa n'asụsụ Igbo na-ada aja aja nyeere ndị na-ege ntị ma kọwapụta ụzọ isi gbochie ma ọ bụ belata ọnọdụ dị otu a.Ntụgharị dị ka akọwarala bụ iwere ihe dị n'otu asụsụ tinye ya ka ọ dị n'asụsụ a tụrụ anya site n'iji oyiri/ogbo ka mpụtara na nghọta ha bụrụ otu. Ntụgharị okwu site n'asụsụ Bekee gaa n'asụsụ Igbo dị mkpa na mgbasaozi n'ihi n'ọchọcha chọpụtara na ndị nta akụkọ na-ejikarị asụsụ Bekee achụta nta akụkọ ha.Mgbasaozi bụ izife ozi n'ikuku site na igweokwu igbeekwurekwu na igwe onyoonyoo nakwa na ọwa ozi, site n'igwe dị otu ebe nke nwere ebe ọ na-ejedebe.Mana dịka nchọcha a sị dị, ọ ga-ejedebe na igwe okwu igbeekwurekwu na televishọn.

[43]Ntụgharị bụ isite n'otu asụsụ tinye asụrụ asụ ma ọ bụ edere ede n'asụsụ ọzọ.
Ntụgharị dị ka otu akamgba nyeere asụsụ Igbo na mgbasaozi kwesiri ka e leba ya anya nke ọma.

Edemede a ga-abara ndị nkụzi Igbo, ụmụ akwụkwọ na-agụ Igbo ma ọ bụ chọrọ ịgụ Igbo, ụmụ akwụkwọ na-agụ maka mgbasaozi ma ọ bụ chọrọ ịgụ mgbasaozi, ndị ụlọ mgbasaozi dị iche iche tụmadụ ndị dị n'ala Igbo, ndị na-ege mgbasaozi na Igbo niile uru maka ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji dee ya ma mee ka ọnọdụ asụsụ Igbo gbagote tụmadụ na mgbasaozi.

E kewara edemede a ụzọ anọ. Nke mbụ bụ ndubanye maka mkpọbata ọgụụ. Nke abụọ bụ ntụleghari agụmagụ maka ileba anya n'ihe ndị ọkachamara derela gbasara isiokwu a. Nke atọ bụ ntụcha nchọpụta maka nnyocha ihe ndị a chọpụtara. Ebe nke ikpeazu bụ nchịkọta na mmechi.

**Ntụleghari Agụmagụ**

**Asụsụ**

Asụsụ dị ka a kọwarala bụ otu ihe kacha pụta ihe na ndụ mmadụ.Asụsụ bụ ụda mmadụ na-emepụta nke a haziri n'ezigbo usoro nwere nghọta site na nkwekọrịta ọhaneze nwe ya bụ asụsụ. Ọ bụ site na nkwekọrịta ọhaneze nwe asụsụ Igbo mere o jiri bụrụ ụzọ mmekọrịta n'etiti ndị Igbo. Anagbogụ na ndị ọzọ (2010) kwuru na asụsụ bụ usoro mmadụ weputara iji na-ekwukọrịta echemeche ha, mmetụta obi ha na ọchịchọ ha, site n'iji imerime akara okwu e kwuru ekwu. Ha kọwakwara na a na-amụ asụsụ site n'ọdịmara onyeọbụla maara asụ asụsụ ọbụla mụtarala. Nke a gosiri na asụsụ abụghị ebumpụtaụwa dị ka ụfọdụ na-eche.

Asụsụ nwere ekwurunọọnụ na ederede. Asụsụ ederede ji mkpụrụ abịịdịị ewu fọnịm, mọfịm, mkpụrụokwu, nkebiokwu, nkebiahịrị na ahịrịokwu ga. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala anyị bụ Naịjirịa. Ọ bụ otu n'ime asụsụ so n'otu *Benue Congo* nke dị n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ọ bụ asụsụ ụdaolu nke nwere ụdaelu, udaala na ụdansụda dị ka akara ụdaolu ya. [44]Emenanjọ (1991) kọwara na Igbo bụ asụsụ mbụ nke ihe dị ka mmadụ nde iri abụọ na-asụ n'akụkụ Anambara niile, Imo, na akụkụ Bendel, Rivaas, Benue na Akwa Ịbọm. [45]Agụgụ (2006) dị ka na Nwokoye (2019) chịkọtara obodo ndị bi n'ala Igbo na steeti ndị a: Abịa, Anambara, Ebonyi, Enugwu na Imo. Ọ sịkwa na asụsụ Igbo metụtara ụfọdụ obodo na steeti dị na: Delta, Akwa Ịbọm na Rivas.

**Ntụghari**

Tupu e kwuo okwu ntụghari, ọ pụtara na ihe a na-ekwu maka ya adịghị n'asụsụ a tụrụ anya. A na-esite n'asụsụ ahụ ọ dị gbanwee ya ka ọ dị n'asụsụ ọzọ ebe nghọta, mpụtara na ụdịdị ka ga-abụ ihe ọ bụ. Ọ bụ nke a ka a na-akpọ ntụghari.Ọkachamaraọbụla nwere nkọwa nke ya gbasara ntụghari mana ọ bụrụ na a chịkọta ha niile, a ga-achọpụta na ọ bụ otu echiche ka ha na-arụgara aka. Na nchọcha a, a ga-eleba anya na ihe ndị ọkachamara kwurula gbasara ntụghari nke a ga-enye aka n'ịghọta ntọala nchọcha a.
N'ime [lv]Newmark (1988:5), o nwere ụfọdụ nkọwa ntụghari ndị ọ rụtụrụ aka. ọ kọwara ntụghari dịka itinye nghọta ihe e dere ede n'asụsụ ọzọ dị ka odee siri chọọ ya.Ndị ọzọ o metụrụ aka bụ:Nida na Taber (1974:12) ma Molina na Albir (2002:507-509) na Barzegar (2008), Barzegar (2008) hụtara ntụghari dịka ịgba mbọ tinyechie ma ọ bụdochie ozi e dere ede ma ọ bụ okwu e kwuru ekwu n'asụsụ a tụrụ anya. Nida na

[44]Emenanjọ (1991) kọwara na Igbo bụ asụsụ mbụ nke ihe dị ka mmadụ nde iri abụọ na-asụ n'akụkụ Anambara niile, Imo, na akụkụ Bendel, Rivaas, Benue na Akwa Ịbọm. Asụsụ Igbo bụ asụsụ nwere nnukwu ọnụogụ ndị na-asụ ya, nke mere ịghọta mgbasaozi n'asụsụ ji dị mkpa nke ukwu.

[45] Nke a bụ maka obodo ndị mejupụtara ala Igbo bụ ebe a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha.

Taber (1974:12) kọwara na ntụgharị metụtara itinye ogbo okwu e kwuru ma ọ bụ ihe e dere n'asụsụ a tụrụ anya; mbụ maka nghọta, ọzọ maka nka. Molina na Albir (2002:507-509) kọwara nka ntụgharị dịka ụzọ e si akọwa, atụri ma na-ekewasị ụzọ e si a tụgharịnye ogbo na ngalaba asụsụ dị iche iche.

[lvi]House (2009) kọwara na ntụgharị bụ iji asụsụ ọzọ dochie anya ihe e buru ụzọ dee n'otu asụsụ. N'otu aka ahụ, [lvii] Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) kwuru na ntụgharị bụ ịgbanweghari ihe e dere n'otu asụsụ n'asụsụ ọzọ maka nghọta. Nkọwa ndị a niile na-arụgara aka otu ihe ma na-emetụtakwa otu ihe.Ya mere ha na-ekwu nantụgharị bụ isite n'otuasụsụ tinye ihe a chọrọ n'asụsụọzọ dịka o si di n'asụsụ ahụ ka nghọta na echiche ha bụrụotu.

**Njirimara Ome Ntụgharị**

Ọ dị mkpa ka e metụ aka ihe ndị ọ ga-abụ a hụtaa mara na onye ahụbụọka n'ime ntụgharị. Ha gụnyere:

i. Ome ntụgharịa kwesiri ịmata nke ọma asụsụ e ji dee ihe na asụsụ a na-atụgharịnye ihe na ya.Nke gosiri na ọ ga-ama ka e si asụ, ede ma na-atapịa ihe n'asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa.Ọ ga-ama nkeọmaihe gbasara isiokwu e nyere ya ka ọtụgharịa.
ii. Ọ ga-enwe nka e ji amata mgbe a ga-eji okwu ihu ma ọ bụ okwu ozi matakwa ntọala metụtara asụsụ abụọ o jiarụ ọrụ nke ọma.
iii. Ọ ga-ama ihe gbasara usoro ime ntụgharị na ihe ndị ọzọ dị mkpa na ntụgharị.

**[46]Usoro Ime Ntụgharị**

Umeodinka na ndị ọzọ (2019) depụtara n'akwụkwọ ha kpọrọ *Kpọkọpị Ụtọasụsụ Igbo na Ntụgharị* usoro ime ntụgharị nke gụnyere:

Ọgụgụ na Nghọta, Mgbanweghari, Ndepụta na Nnyocha,

**Ọgụgụ na Nghọta**

N'usoro a, a ga-ebu ụzọ gụọ edere ede bido n'isi rue na njedebe.Ime nke a bụ ka a ghọtaisiokwu ederede ya wee si etu a chọpụta ihe ndị nwere ike inye aka n'ime ntụgharị.

**Mgbanweghari**

N'ebe a,ome ntụgharị ga-eji uche ya na-echepụta ihe nwere ike ịdaba a ga-akpọ mkpụrụokwu niile dị n'ederede nke mbụ n'asụsụ a ga-atụgharịnye ya na ya. Ogogo a ka ụbụrụ na-arụ nnukwu ọrụ pụrụ iche maka ichepụta ihe a ga-akpọ okwu ozigbo.

**Ndepụta**

Ọ bụrụ na a ghọtachaa ihe ederede, ihe ọzọ ga-abụ idetuihe mana ọ bụghị ndetu nke ikpeazụ.

**Nnyocha:** A na-agbaso usoro atọ n'ogogo a. Mbụ bụ ịgụ ihe a tụgharịrị. A ga-eji nnyocha miri emi gụgharịa ya rue ihe dị kaugboro atọ.E mechaa nke a, a ga-atụle ederede a tụgharịrị iji mata ma echiche dị na ya ọ ka bụkwa nke dị na asụsụ nke mbụ. Ome ntụgharị nyochaa nke ya, o nyekwa onye nwere nka ntụgharị ka o nyochaa iji nwee ike rụchapụsịa ehie niile dị na ya.

---

[46]Usoro Ime Ntụgharị: Nke a bụ iji mee ka ome ntụgharị mara ihe o kwesiri ime iji nwete ntụgharị dabara adaba.

**Nka Ntụgharị**

Newmark (1988) depụtara nka ntụgharị nke dabara n'ihe Umeodinka na ndị ọzọ (2019) dere. Ka anyị leba ha anya n'otu n'otu.

1. **Mbite**

Mbite bụ isi n'otu asụsụ wetamkpụrụ okwun'emeghị ya ntụgharị ma ọlị. Ọ bụ naanị na nsụpe ka a na-enwe mgbanwe n'okwu mbite; a ga-agbaso usoro mkpọpụta ndị nwe asụsụ ahụ wee depụta ya.
Ịma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| i. | Dollar | dọla |
| ii. | Astrology | astrolọji |
| iii. | Bible | Baịbụl, wdg |

2. **Ntụgharịa Mkpụrụ Okwu**

Ntụgharịa mkpụrụ okwu bụ ịgbakwasị ụkwụ na mkpụrụokwu na mkpụrụokwu wee na-eme ntụgharị. Ọ bụ naanị n'ebe o metụtara nkebiokwu ma ọ bụ ndị yitere ya ka a na-etinye nke a n'ọrụ. Ihe e ji mara ụdị ntụgharị a bụ na mkpụrụokwu nke bu ụzọ n'asụsụ nke mbụ nwere ike kpere azụ n'asụsụ nke abụọ ebe nke kpe azụ nwere ike buru ụzọ (Umeodinka na ndị ọzọ (2019).

Ịma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| i. | Two times | ugboro abụọ |
| ii. | Good woman | nwaanyi ọma |
| iii. | Good hand | aka ọma |

3. **Mgbachapụ**

Ụdị ntụgharị a bụ nke a na-esi n'asụsụ ọzọ ebiri okwu ma tụgharị ya ka ọ dabaa etu ndi nwe asụsụ ntụgharị kwesịrị isi kpọ ya n'asụsụ nke ha.

Ịma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| i. | Ball | bọọlụ |
| ii. | Degree | digirii |
| iii. | Oxygen | ọsijin |

4. **Nṅomite**

Nṅomite bụ ibite mkpụrụ okwu n'asụsụ odee ma gbasoo usoro ntọala otu asụsụ odee ahụ kwa tụgharịa ya. N'ọnọdụ a, ụda mkpụrụokwu ahụ nwere n'asụsụ odee bụ ihe a ga-enwekwa n'asụsụ ntụgharị.

Ịma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| i. | Certificate | satifiket |
| ii. | Agriculture | agrịkọchọ |
| iii. | Geology | jiọlọgi |

**5. Nkwuzi**

N'ụdị ntụgharị a, a na-ekwuzi ihe e dere ka ọ ghara ịjọzị njọ nnukwu na ntị etu ọ dị n'asụsụ odee. A na-eme nke a iji gbanahụ okwu ịta arụ na ntị, ime ihere maọbụ ịsọ oyi. Ima atu:

i. Ọ gara inyụ nsi — Ọ gara ịhụ nwaanyị mụrụ nwa n'ọhịa
He/she went to defecate.

ii. Ọ na-awị ara. — Isi adịghị ya mma.
(He/she is mad)

**6. Ògbò**

Ògbò bụ inweta ihe a chọrọ kpọmkwem na ntụgharị. Mana ụdị nka ntụgharị a anaghị adabacha n'oge niile. O nwere ebe ndị ọ na-adaba dị ka akpaalaokwu, ilu na ndị ọzọ yitere ha.
Ima atụ:

| | | |
|---|---|---|
| i. | Okeke kicked the bucket. | Okeke ebulaala akwụkwọ. |
| ii. | He has a stone heart. | O nwere obi ike. |
| iii. | Make hay while te sun shines | Were ehihie chọba ewu ojii |

7. **Mmepụta Mkpụrụ okwu**
8. Ọtụtụ mkpụrụ okwu ọhụrụ juru ebe niile n'ihi na ụwa anyị nọ n'ime ya na-agbanwe ma na-emepe karịa na mbụ. Ebe ọ bụ na o nweghị okwu ndị dị a ga-eji tụgharịa okwu ọgbaraọhụrụ, o nweghị ihe ọzọ ome ntụgharị ga-eme n'abụghị imebe okwu ga-anọchi okwu ahụ.

Ima atụ:

| | | |
|---|---|---|
| i. | University | Mahadum |
| ii. | Printer | Igwe nkụpụta |

**9. Nsiridị**

Nsiridị bụ ilegide anya etu mkpụrụederede, mkpụrụokwu, nkebiokwu, nkebiahịri siri gaa wee mee ntụgharị. N'ụdị ntụgharị a, a na-agba mbọ hụ na okwu ọ bụla ga-ewerekwa ọnọdụ ya n'usoro n'asụsụ ntụgharị.
Ima atụ:

i. Proverbs is the oil with which the Igbo eat food
Ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu.

ii. Ebere sit down like a woman.
Ebere nọrọ ala ka nwaanyị.

iii. They came here now.
Ha bịara ebe a ugbu a.

**Nzimozi, Nne Mutara Mgbasaozi**

N’eziokwu, ntọala mgbasaozi bụ nzimozi. E nweela nkowa dị iche iche gbasara nzimozi. Ufọdụ n’ime ha bọ ndị a:[lviii]Nwangwu na Obiora (2013) kọwara na nzimozi nwere mgbọrọgwụ na Latin nke pụtara nkesa. Ya bụ ikesa n'etiti ndị mmadụ ka onye ọ bụla were nke ya n'ụzo ga-edo ya anya. [lix]Stanley(2010) kwadoro nkọwa a.Nzimozi bụ ntọala mgbasaozi.[lx]Seeman (2013) kọwaranzimozi dịka usoro e si eziputa ma na-azụtokwammekorita n’etiti mmadụ na ibe ya.

**Mgbasaozi**

[lxi]Gedge (2010) kwuru na mgbasaozi bụ ụzọ kacha pụta ihe ndị ala Afrịka ji ama ihe na-eme n'obodo dịka o si mmetụta mmepe na ndọrọndọrọ ọchịchị.Odee dịka na [lxii]Nwangene (2014) kọwara mgbasaozi dịka okwu. Ọ bụ akụkọ ma ọ bụ ozi ga-enwe ezi nghọta nke mmadụ nyere ibe ya ka ọ baara ya uru. Ọ kọwara na ozi ma ọ bụ akụkọ ọ bụla nke n’nweghị ezi nghọta abụghị ozi ma ọ bụ akụkọ.
[lxiii]Umeh (2016) kwuru na mgbasaozi na-emetụta mgbanwe nghọta. Ọ bụ mgbe onye e ziri ozi zipụrụ ozi ya, onye ma ọ bụ ndị e zigara aghọta ya n'ụzọ dị etu ahụ, ha abụọ na-agbanwerịta echiche ha, ya bụ nghọta ha.N'ezie, mgbasaozi dị mkpa n’ime ka ndị mmadụ mata ihe na-eme na ka o si mee na gburugburu ha na ebe ndị ọzọ maka ọ bụ nzikọrịta ozi na-eme ka mmadụ nọdụ na ìhè kama na ọchịchịrị**.**

**Ntụcha Nchọpụta**

N’ebe a ka a ga-atụcha ajụjụ a jụrụ ndị na-arụ ọrụ n’ụlọ mgbasaozi na ndị na-ege mgbasaozi ha n’asụsụ Igbo na ụsa ha nyere. Ụsa ha ga-enye aka ikporu anyị ụlọ n’ihe isiokwu anyị tụrụ anya n’aka anyị.

**Ntụcha Ajụjụ na Ụsa ndị Ọrụ Mgbasaozi n’Olu Igbo**

**Kedụ asụsụ unu ji achụta nta akụkọ n’ụlọ mgbasaozi?**

Ha niile zara na ha ji asụsụ Bekee na asụsụ Igbo achụta nta akụko mana ọtụtụ mgbe, na ha na-ejikarị asusụ Bekee.Amaka Ọfọjebe, otu onye mgbasaozi a gbara ajụjụ ọnụ banyere asụsụ ha ji achụta nta akụkọ igbe ekwurekwu na igwe onyoonyo kwuru na ọ bụkarị asụsụ Bekee mana ọ bụrụ na a chụta nta akụkọ ahụ, ndị ngalaba asụsụ Igbo na-ewere ha tapịa n’asụsụ Igbo tupu anụ ya n’ikuku.

**Kedụ asụsụ unu ji agbasa ozi n’ụlọ mgbasaozi?**

Ha niile zara na ha ji asụsụ Igbo na asụsụ Bekee agbasa ozi.

**Ebe ọ bụ asụsụ Bekee ka unu jikarị achuta nta akụkọ, kedụ ka unu si atụgharinye ya n’asụsụ Igbo?**

Dị ka iteghete (9) n’ime ha si kwu, ha amaghị atụgharịnye Bekee n’asụsụ Igbo nke ọma. Nke ha amaghị ihe ha ga-akpọ ya, ha akpọọ ya na Bekee. Ngọzika Ume na Ifeọma Okafọndị ọrụ mgbasaozi sị na ọ bụ “gwata ngwa” ka ha na-eme. Nke onye amaghị, ọ jụta ibe ya, mana ọ bụrụ na ibe ya amaghị, ha akpọọ ya na Bekee.

Ha kwukwara na ha enweghị ngwaọrụ e ji eme ntụgharị tụmadụ nkọwaokwu nke Igbo kama ọ bụ naanị nke Bekee ka ha nwere. Ha mere ka o doo anya na ihe ha na-eme bụ “ebe ọkụ nyụrụ” na “ike kete o rie”
Agnes Ezeji bụ otu onye mgbasaozi ndị NTA kọwara na ọ bụ ya mere e ji malite ịgụ akụkọ ụwa n’Igbo maka na mgbe mbụ, onye ọ bụla na-edebe ahụ na ọ maghị asụsụ Igbo ma ya fọdụzịa ide asụsụ Igbo. Site na nchọputa ọchọcha, ọ gwara ha ka onye ọ bula na-atụgharinye ya etu o kwere ya. Nke a meziri ma onye ukwu ma onye nta na-atụgharị ya ka o si kwe ya.

**Ndị na-atụgharịnye asụsụ Bekee n'asụsụ Igbo, ha gụruru Igbo na mahadum ma ọ bu nwee nzere na ntụgharị**

Oyiridiya Ọjị Ngọzịka Ume na ndị ọrụ mgbasaozi ndị ọzọ zara na naanị otu onye gụrụ Igbo. E nweghịkwa ndị a zụrụ n'ime ntụgharị chaa chaa n'ụlọ mgbasaozi ha ma ya fọdụzịa onye nwere nzere na ya. Ifechukwu Uche Ọkafọ kwuru na mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ na ha amaghị ihe ha ga-akpọ ihe ahụ n'asụsụ Igbo, ha akọwaa ya akọwa. Ọ sịrị na ọ bụ nke a na-eme na mgbe ụfọdụ ihe ha gụrụ na Bekee na-epe mpe ebe nke Igbo na-ebu ibu karịa ka o kwesiri ịdị.

Ọchọcha chọpụtara na ntụgharị na-ama ndị mgbasaozi n'asụsụ Igbo aka n'ụwa ọhụrụaka n'ihu n'ụzọ pụrụ iche.[47]Ndị mgbasaozi niile a gbara ajụjụ ọnụ zara hoo haa na o nweghị onye gụrụ maka ntụgharị. Ọ bụkwa otu onye n'ime ha gụrụ asụsụ Igbo na mahadum. Nke a bụ nnukwu ihe ịma aka n'ihu maka a chọpụtara na ọ bụ ihe ha mụtara na ogo praịmarị, sekọndịrị na ihe ndị ha mụtara na nkatamanya ka ha ji atụgharịnye ihe n'asụsụ Igbo. N'ezie, ntapị ma ọ bụ ntụgharịnye n'asụsụ Igbo na-emetụta mgbasaozi n'ebe ọ dị ukwu, ma n' igbeekwurekwu ma na igwe onyoonyoo.

**Ntụcha Ajụjụ na Ụsa ndị na-Ege Ntị**

**Kedụ ka unu si ahụta mgbasaozi n'asụsụ Igbo?**

Ekene Chinweokwu (onye ahịa ude), Ogene Mbanefo (Onye nkụzi rụrụla ọrụ na ABS na mmadụ iri na asatọ (18)ndị ọzọ a gbara ajụjụọnụ na ndị na-ege ntị zara na mgbasaozi n'asụsụ Igbo na-atọ ha ụtọ nke ukwu tụmadụ ndị okenye asaa n'ime ha. Ha kwuru na asụsụ Igbo enweghị oyiri n'agbanyeghị na mgbasaozi ha na-adị ada aja aja mgbe ụfọdụ.

**Kedụ ihe ndị unu chere na-eme na mgbasaozi ha na-ada aja aja?**

Otu nsogbu ha niile metụrụ aka a na-enwe na mgbasaozi n'asụsụ Igbo bụ amaghị ntụgharị. Emeka Molokwu na ndị ọzọ na-ege ntị a gbara ajụjụ ọnụ sịrị na ntụgharị na-ahịa ndị mgbasaozi n'asụsụ Igbo ahụ. Ha wee jụọ ihe kpatara okwu ndị e ji asụsụ Bekee akpọ si karịa akarị? Ha gara n'ihu mee ka a mata na a magị ntụgharị emeela ka ha hapụ ọtụtụ ihe nwere aha na Bekee maka ha amaghị ihe ha ga-akpọ ha n'asụsụ Igbo oge ha na-agbasa ozi n'ikuku. Ọ bụ nke a mere na mmadụ gee akụkọ ụwa na Bekeee gekwaa n'Igbo, ọ ga-achọpụtarịrị nnukwu ihe dị iche. Ya mere, a chopụtara ntapị ma ọ bụ ntụgharịnye n'asụsụ Igbo na-emetụta mgbasaozi ma na igbe ekwurekwu na igwe onyoonyoo.

**Kedụ ụzọ unu chere a ga-esi belata ma ọ bụ gbochie nsogbu a?**

Ọ bụ ụsa ndị ọrụ mgbasaozi na ndị na-ege ntị nyere ka ọchọcha chịkọtara wee zipụta dị ka ụzọ ibelata ma ọ bụ gbochie ha bụ ndị a:

1. **Gọọment inye iwu ka a na-akụzi asụsụ Igbo n'ogogo agụmakwụkwọ ọ bụla**

O nweghị onye ma ebe ụgbọ bu onye ọ bụla aga. Onye gwara nwoke gụrụ maka ekpemekpe na ọ ga-enwete onwe ya n'ụlo mgbasaozi n'asụsụ Igbo, ọ gaghị ekweta. Ya mere o kwesiri ka gọọment leba ya anya ma hụ na a na-akụziri ụmụaka Igbo n'ụlọ akwụkwọ ha dị iche iche malite na nta akara rue na mahadum. Nke a agaghị abụ naanị n'ụlọ akwụkwọ gọọment nwe kama n'ụlo akwụkwọ nke onwe dị iche iche.

2. **Gọọment na ndị isi ụlọ mgbasaozi inye ndị gụrụ asụsụ Igbo ọrụ n'ụlọ mgbasaozi na kwa nkwado ndị ọzọga**

[47]Ndị mgbasaozi niile a gbara ajụjụ ọnụ zara hoo haa na o nweghị onye gụrụ maka ntụgharị ma ya fọdụsịa ịgụ asụsụ Igbo.

Ọ bụrụ na gọọment ewereọrụ mgbasaozi n'asụsụ Igbonye ndị gụrụ asụsụ Igbo, ndị gụrụ ntụghari n'asụsụ Igbo; echeghị m na nsogbu a ga-adị. Ọ bụrụkwa na ha agaa n'ihunyekọnye ha na akarangwa ha ji arụ ọrụ, ihe ga-adị mfe. Otu onye ụlọ mgbasaozi sịrị na ọ bụrụ na anyị mee nke dịịrị anyi, gọọment mee nke dịịrị ha, nsogbu agaghị adị. Nkwado ọzọ gọọment ga-enye ha bụ itinyere ha ego n'ụgwọ ọnwa ha. Ọ bụrụ na ndị jụrụ asụsụ Igbo ajụ ahụta na gọọment na-eleta ndị kwenyere na ya, mmasị ndị dị otu a ga-adị elu nke ga-eme ka ha nwee mmasị ịmụ asụsụ Igbo na onwe ha.

3. **Inwe ọzụzụ dị icheiche na mgbasaozi**

O kwesiri ka a na-enye ndị na-agbasa ozi n'asụsụ Igbo ọzụzụ ma ọ bụ ziga ha ebe di iche iche a na-enwe nkụzi maka mgbasa ozi dị ka e si eme ndị Bekee. Inwe ọzụzụ kwa mgbe kwa mgbe ga-eme ka ha na-esonye na mgbanwe dị iche iche na-abata n'asụsụ Igbo.

4. **Ndị Igbo ịhụ asụsụ ha n'anya**

Dị ka ọchọcha si wee chọputa, ndị na-agụpụta nta akụkọ n'asụsụ Igbo na-eleda onwe ha anya. Ọ bụrụ na onye ọ bula ahụ asụsụ Igbo n'anya, a ga-eji ya kpọrọ ihe. Nsogbu a ga-akwụsi ma belatakwa maka o nweghị onye na-atụfu ihe ọ hụrụ n'anya. Nke a ga-eme ka ndị na-agbasa ozi n'asụsụ Igbo ghara ileda onwe ha anya ma mekwaa ka ndị ọzọ ghara ịkọcha ha. N'ikwupụta nke a, ndị na-ege ntị ga-amalite nwebe mmasị n'ige mgbasaozi n'asụsụ Igbo karịa ka ha na-emebu. Cheta na ihe mmadụ nwere mmasị na ya, o jighi ya egwuri egwu maka na onye tufuo ihe o ji ama mma, mma ya arụọ.

## Nchịkọta na Mmechi

"Amaghị Ntụgharị: Akamgba nyere mgbasaozi n'asụsụ Igbo n'ụwa ọhụrụ" bụ isiokwu edemede a. A rụtụrụ aka ka amaghị ntụgharị sịrị bụrụ otu akamgba nyere mgbasaozi n'asụsụ Igbo n'ụwa ọhụrụ, ka o si apụta ihe n'ụlọ ọrụ mgbasaozi na ozi ha na-ezipụta n'ikuku na ụzọ iji gbochie ma ọ bụ belata nke a. Enweghị ọzụzụ,agụghị asụsụ Igbo na ntụgharị,enweghị ngwa ọrụ zuru oke na emeghị nkwado gọọment ka a hụtaraka isi ihe ndị mere ọnọdụ a ji rue otu a. Ihe ndị a butere mgbakasị ahụ ma ọ bụ ịkwụsị ige ntị na mgbasaozi.

## Mmechi

Iji belata ma ọ bụ gbochie nsogbu a, ime ka ndị gụrụ Igbo/mgbasaozi n'asụsụ Igbo bụrụ ndị a na-enye ọrụ mgbasaozi, gọọment inye nkwado ego, akarangwa na ọzụzụ site n'oge rue n'oge n'ihe gbasara ntụgharị na akụkụ ndị ọzọ ga-enye aka ime ka ọnọdụ a bịa n'isi njedebe. Nchọcha a ga-enyere ndị ọzọ aka ịmata ebe ha ga-eleba anya na mgbasaozi n'asụsụ Igbo nke ga-enye aka n'ịkwalite ọnọdụ asụsụ Igbo n'ụwa ọhụrụ. Cheta na ọ bụ ndị mgbasaozi na-agwa anyị ihe anyị na-atụle, ekwenye ma na-eche maka ya.Ibugote mgbasaozi n'asụsụ Igbo bụ ibugote ọkwa na ọnọdụ asụsụ Igbo.

## Edensibịa

Anagbogụ, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C.A. (2010). *An Introduction to Linguistics.* Awka: Amaka Dreams.

Emenanjọ, E.N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo maka Ule Sinio Sekondịrị*. Nkpor: Optimal Press.

House, (2008), *Translation.* New York: Oxford University Press.

Nwangene, H.N (2014). Mgbasaozi n’Asụsụ Igbo, Ọnọdụ ya Ụlọ Mgbasaozi ndịa Họọrọ. B.A Project Department of Igbo, African and Asian Studies. NAU, Awka.

Nwangwu, E.& Obiora (2013). *Essential Communication in English for Beginners.* Awka:SCOAHeritage Systems Educational Publishers.

Nwokoye, A. N. (2019). *Abụ Ikpe: Ngwaọrụ na-agbazi Usoro Obibi Ndụ.* Nkụzi Kwa Afo nke ndi Ọkammụta nke Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka. Onitsha: Noben Press

Seeman.H. (2013). *Mass Communication Principles and Concepts* 2nd Edition . India CBS.Publishers/Distributions pvt .

Stanley, J. A (2010). *Introduction to Mass Communication Practise in Nigeria.* Ibadan: SpectrumBooksUmeh, I. N. (2016). " Mgbasaozi n'Asụsụ Igbo na Steet Anambara: Ihe Ndị Ịma Aka n'Ihu. Nchọcha maka Nzere B. A. Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia.

Umeodinka A. U, Ugochukwu C. N, Ogwudile C. E. C& Ilechukwu D. I (2019). *Kpọkọpị Ụtọasụsụ Igbo na Ntụgharị... Maka ndị Sekọndịrị na Mahadum.* Ọka: Divine Press.

Ndị si na Ọwaozi

Gredge, I. (2010). Top IV to Hit in May, Media and Guardian. E nwetere na Wikipedia,theFree Online Encyclopedia on 8/9/2016.

Newmark, P. (1988). *A textbook of translation.E wetere na* 05/05/2022.

**Ụfọdụ ndị Ọrụ Mgbasaozi a Gbara Ajụjụ ọnụ**

Ndi Ụọ mgbasaozi NTA, Ọka na Purity FM, Ọka.

1.Ngọzika Umeh na Ifeoma Okaf**Eke** Ọkaf**ọ**

2. Agnes Ezeji

.Oyiridiya Ọrji, Ngọzịka Ume

4. Ifechukwu UcheỌkafọ

**Ndị na-Ege Ntị a Gbara Ajụjụ onụ**

1. Ekene Chinweokwu (onye ahịa (ude),nọ Eke Ọka.
2. Ogene Mbanefo (Onye nkụzi rụrụla ọrụ na ABS, nọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.
3. Emeka Mookwuonye ahịa (ngwongwoụlọ),nọ Eke Ọka.